

# NDUBATA NDUZI

## MAPUTO PROTOKỌL – EDEREDE 14 NAIJIRIA

MEWC Make Every Woman Count

SOLIDARITY FOR AFRICAN WOMEN'S RIGHTS
A force for freedom

MOUVEMENT DE SOLIDARITÉ POUR LES DROITS DES FEMMES AFRICAINES
Une force pour la liberté

BAOBAB FOR WOMEN'S HUMAN RIGHTS

AKINA MAMA WA AFRIKA

# NDUBATA NDUZI

## MAPUTO PROTOKỌL –
## EDEREDE 14
## NAIJIRIA

Produced and Published by Make Every Woman Count
Email: info@mewc.org  Website: www.mewc.org

Copyright © 2026

Design and Layout: James Chunguli, Crimson Communications Ltd.

All rights reserved. Redistribution of the material presented in this work is encouraged by the publisher, provided the original text is not altered, that the original source is properly and fully acknowledged and that the objective of redistribution is not for commercial gain. Please contact the publisher if you wish to reproduce, redistribute or transmit, in any form or by any means, this work or any portion thereof.

# Ndubata

Usoro ndubata Oke ruuru Afrika maka Mmadụ na Oke ndị mmadụ maka Oke Ụmụnwaanyi n'Afrika, nke a maara dịka Maputo Protokọl, kwụụrụ dịka otu n'ime ngwa oke mmadụ na-aga n'ihu n'ụwa. Afrikan Uniọn nabatara ya n'afọ 2003, o wepụtara nnukwu atụmaatụ maka ugwu, ikpeziriezi, na nwere onwe nke ndinne na ụmụnwaanyi na mpaghara a niile. Maka imerime ụmụnwaanyị ọ chọrọ ichekwa, usoro a karịrị ederede iwu. Ọ bụ nkwa.

Nduzi a bụ nke **Make Every Woman Count** (MEWC) mepụtara ya na **Solidarity for African Women's Rights Coalition (SOAWR)**.O nyere ụzọ pụtara ihe site na mbaụwa na nkwa mpaghara rute n'ipụta ihe n'obodo nke mere ka usoro a dabere n'iwu ụfọdụ, ndọrọndọrọọchịchị, na mmekọrịta obodo a.

### *Ihe mere Maputo Protokọl ji di mkpa*

N'ime nduzia e nwere Usoro abụọ kacha pụta ihe dị: Ederede 5 kpọrọ steeti ka o kpochapụ omume ndị megidere mmadụ dịka ibi nwaanyị ugwu/ma ọ bụ ibepụ ihe nwaanyi,ịlụ di na nwata, na omenaala ndị ahụ megidere ahụike na ugwu ndịnne na ụmụnaanyi; ezi nlekọta nwaanyi n'afọime na mgbe ọ mụchara nwa, ya na iteime n'usoro iwu kwadoro dịka mgbe a kwasoro mmadụ iko n'ike,mmetọ, mmekọ nwanne na nwanne, ma ọ bụ mgbe afọime dowere uche na ahụike nwaanyị n'ọnọdụ ọjọọ.

Ederede ndịa lebara anya n'ụfọdụ iheịmaaka ụmụnwaanyị na-agabiga: igbochi ọnwụ nwaanyị dị ime ma ọ bụ ka ọ mụchara nwa, iteime n'usoro ezighiezi, arụ dabeere n'ọdịdị, na akparamagwa ndị na-afụụfụ ndị megidere ụnwaanyị inwe ikikere ichekwa ahụ ha.Usoro a eweputaghị mkpagbu ndị a dịka ihe enyemaka ma ọ bụ nrụrịta, kama dịka oke ruuru mmadụ ekwesịri idowe.

### *Ighọta 'Ndulatauḷọ'*

Nkwekọrịta a nwere ike ịgbanwe ndụ mgbe ihe e jiri mee ya rutere ndị ọ na-echekwa. Nwelatauḷọ bụ usoro ịtụgharị iwu mbaụwa ka ọ bụrụ iwu obodo, atụmaatụ, na ihe ndị ana-eme ka oke bụrụ ihe etinyere n'iwu na site n'ọrụ gọọmenti kwa ụbọchị. Otu nke a sị mee dabeere otu ụkpụrụ iwu obobo si dị.

N'obodo nwere otu usoro iwu, iwu ndị ekwekọrịtara bụ, n'ihe ndị nọ na ya, ndị e nwere ike itinye ozugbo ma ya akarịa iwu obodo. Ma a ka ji ya eme ihe, abịa n'iheomume, ọ na-ara ụlọikpe ndị nta na ụlọọrụ ahụ itinye ụkpụrụ ndịa n'ọrụ, hapụ oghere n'agbata ihe ekwuru na ihe na-eme.

N'obodo nwere usoro iwu abụọ, nkwekọrịta anaghị abụ iwu site naanị na nkwebata. Ha chọrọ ntụlerikọta ndịomeiwu iji webata ma tinye ya n'ọrụ. Tupu nke ahụ emee, nkwa Usoro niile ka bụ ihe chọrọ ka emee ya.
N'ụkpụrụ niile, ndulatauḷọ bụ oke nọ n'etiti nkwa na ahụmihe ahụrụla . imechi agbata ahụ bụ isi sekpụ ntị n'ebumnuche nke nduzịa.

## 1. Ebumnuche nduzia na otu esi eji ya eme ihe

Usoro ndulatanụlọ a bụ ngwa nduzi nke e mere maka otu dị iche iche, ndịomeiwu na ndị na-akaiwu na-arụ ọrụ iji kwalitekwuo nwelatauḷọ Maputo Protokọl na Naijiria. Naijiria nabatara ya n'abalị 16 nke ọnwa Dizemba 2024, Usoro a nyere Afrịka Chata nke Human na Pịpụl's Raịts ke ụmụnwaanyị nọ n'Afrịka.

bụ ngwaọrụ mbaụwa na-ahụ maka oke ruuru mmadụ nke Afrịkan Unịọnụ (AU) hiwere iji hụ na akwalitere oke ruuru ụmụnwaanyị, nwete ma chekwaa nke ga-eme ka ha rite uru n'uju oke ha niile. '[1]

Usoro a gosipụtara ọtụtụ ọkpụrụkpụ ihe n'ebe dị mkpa n'oke:[ii]

| Oke ndi metụtara otu di iche iche | Ederede |
|---|---|
| Akụnụba na oke maka ọdịmma ọha | 13 & 19 (c) |
| Oke metụtara alụmdinanwunye (tinyere ịlụ di na nwata) | 6 |
| Ahụike na Oke ịmụnwa | 14 |
| Nchekwa site n'[kpa arụ (tinyere ibe nwaany ugwu/ibepụ ahụ nwaanyị) | 3, 4 & 5 |
| Oke iji sonye Nụkpụrụ ndọrọndọrọchịchị na ịtụpụta atụmaatụ | 9 |
| Oke maka Udo na nchekwa site n'ọgbaaghara ndị nwere ihemmerụ | 10 & 11 |
| Kpachapụrụ nwaanyị anya n'ụzọ pụrụ iche | 20, 21, 22, 23 & 24 |

Naijiria anabatala Maputo Protokọl ma o nweghị ihe ọbụla ha hapụrụ, kama iheimaaka, itinye ya n'ọrụ gara n'ihu n'imegide ụmụnwaanyị, nsọpụrụ na nlekọta ịdịme na ịmụnwa na nlekọta iheọdụrụde n'ụmụnwaanyị. A ka chọrọ nkwupụta na ntụteghari n'Ederede 14, nke kwadoro oke nwaanyị nyere ahụike, nke gụnyere mmekọ na ahụikeọmụmụ.[iii]

Nduzia lekwasara anya n'ihiwe nkwupụta maaka mmekọ na ahụike ọmụmụ dịka ịbụ nne n'enweghị nsogbu na ahụike ezinụlọ, ma gosipụta ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ iji mee ka iwu obodo na Maputo Protokọl makọọ iji chekwaa nke ahụrụ anya na nchekwa nke onwe nke ụmụnwaanyị Naijiria. Ntụala nduzia lekwasara anya na atụtụ na ihe nleba anya otu mmekọrịta dị iche iche, ndị na-ahụ maka oke ruuru mmadụ na ndị ọkachamaara otu iwu n'ekwuchiteọnụ. Maka ezi ndubata nduzi, otu ndị a ga-ejikọ aka n'ọrụ.

## 1. Otu O Si Gbasa Obodo na Njimara Iwu

Naijiria nwerele onwe ya site n'aka Unaịted Kingdọm n'abalị nke mbụ nke ọnwa Ọkụtoba 1960.[iv]

ọnụọgụgụ ya karịrị nde 237.5, ọ bụ otu n'ime obodo ndị nwere ụbara mmadụ n'ụwa.[v] Naijiria nwere ngalaba ọchịchị atọ: ogo ọchịchị etiti, ọchịchị steeti 36 na ọchịchị imeime obodo 774.[vi] Naijiria bụ obodo iwu ọchịchịonyekwuoucheya nke onyeisi na-elekọta, ndị omeiwu nke ụlọomeiwu hiwere na ụkpụrụikpe kwụụrụ onwe ya. Ndịomeiwu kere ụzọ abụọ, nke gụnyere ndị Sinetị na ndị Ụlọnnọchiteanya.[vii]

Naijiria bụ obodo nwere iwu mba ụwa na iwu obodo dịka ihe dị iche, nke pụtara na Maputo Protokọl anọkataghị bụrụ iwu site na nnabata ya. Iji nweta ezi uru na Naijiria, mpaghara Usoro ga-abụrịrị nke ewebatara n'ime iwu obodo site n'usoro nduzindubata. Naanị iwu mbaụwa e webatara n'iwu obodo ka e nwere ike itinye n'ọrụ.[viii] Ruo mgbe e mere Maputo Protokọl ya abanye n'iwu obodo, mbọ dị mkpa ya **niile banyere ụmụnwaanyị inwere ikikere ahụ ha na oke mmadụ ka ga-abụ ihe a na-atụ anya ya.**

E nwere ụzọ dị iche iche Usoro a nwere ike iji bụrụ iwu obodo:

- Ọkara abụọ n'ime ụzọ atọ ndịomeiwu nwere ike kwadoo nkwekọrịta niile.
- E nwere ike rụtụ nkwekọrịta aka oge a na-eme iwu.
- E nwere ike iwere nkwekọrịta ahụ mere mgbakwasị ụkwụ n'ime iwu.

## Ntụala iwu maka oke ọmụmụ

Iwu obodo Naịjiria nke 1999 nyere ntụala mgbakwasị ụkwụ nke oke maka ọmụmụ nwere ike iji gaa n'ihu.[ix] Isi nke IV kwadoro oke ndị ruuru mmadụ, tinyere oke ịdị ndụ(mpaghara 33), ugwu nke mmadụ(mpaghara 34), ịdị ike onwe(mpaghara 350) nnọrọonwe(mpaghara 37) na nwereonwe site n'ịkpaoke (mpaghara 42). Ihe ndịa niile bụ nke metụtara nnọọ okwu nwere onwe ahụ, ahụike ọmụmụ na nwereonwe site n'arụ ana-akpa ụmụnwaanyị

Nke ka mkpa, Mpaghara 34 manyere steeti ichekwa nchekwa na ọnọdụọma nke onye. Nke a ka e nwere ike gbatịkwuo iji hụ na e nwere nwere onwe ahụ na ugwu nwaanyị na Naịjiria – nweta ọnọdụọma na nchekwa nke ụmụnwaanyị n'ụzọ karịrị, belata arụ ana-akpa n'ihi ọdịdị, ibi nwaanyị ugwu/ibepụ, ịkpaoke site n'ọdịdị na ọnwụ nwaanyị dị ime na nke na-amụ nwa.

Kosiladị, e kwesịrị ịmata ihe bụ nnọ ọgbachi: dịka Isi nke II nke Iwu nyere steeti ntụziaka ka o hiwe ezigbo ụlọ nlekọta ahụike dị iche iche, ntụziaka ndị a abụghị nke a na-ekpere ikpe. Nke a pụtara na ndị obodo agahị agbara gọọmenti akwụkwọ na omeghịrị ha ihe o kwesịrị.[x] Ọnọdụ e nweghị ike ikpe ikpe maka iwu metụtara oke ahụike bụ nọọ nke gbochiri ohere ijide steeti maka enweghị ike inye nlekọta maka

Ụmụnwaanyị na nlekọta ọmụmụ. E kwesịrị iwepụta ezi usoro nyere oke ndị e nwere ike ikpe ikpe ha n'Isi nke IV Karịa usoro ntụziaka nọ n'Isi nke II

## Usoro Iwu maka Arụ

Naịjiria ji usoro iwu abụọ maka arụ eme ihe, nke nwere mpụtara maka nwereonwe ọmụmụ. Na mpaghara Sawụtụ ke Naịjiria, Kriminal Kod Akt machibidoro nnọọ ihe onye chọrọ maka ahụọmụm, nye manye ịga mpọrọ afọ 14 maka iwepụ afọime, ma hapụ naanị obere ihe n'ọnọdụ dị añaa iji zọọ ndụ nwaanyị.[xi] na mpaghara Ugwu Naịjiria, Penal Kod Akt mere nọọ iteime arụ nke a ga agara mkpọrọ ọtụtụ oge; iji gbakwunyere, steeti 12 n'ala ugwu ji ụlọikpe Sharịa na fedịral Penal Kod eme ihe, tinyegwaara mmachibido n'ụdi pụrụ iche.[xii] Usoro abụọ ndị a pụrụ iche otu e siri hiwe ha: Kriminal Kod etinyechaghị ya n'akwụkwọ maka oge ndụ onye nne nọ n'ọghọm, n'agbanyeghị na okwu nke R*ex v* Edgar na *Rex v* Bourne wepụtara usoro kwadoro iteime n'ọnọdụ ndị dị otu ahụ, [xiii] ma ha niile riri mperi n'ihe a chọrọ n'okpuru Ederede 14(2)(c) nke Maputo Protokọl.

## Iwu ndị bụ isi

Iji gbakwunyere Maputo Protokọl, ọtụtụ iwu obodo na-akpụzi usoro iwu maka ikikere ahụike mmekọahụ na ọmụmụ na oke:

- Arụ Megide mmadụ (mmachi) Akt 2015 mere ka ịkwasoikonike bụrụ arụ, arụ ụlọ na ibi nwaanyị ugwu/ibepụ. Kosila dị, VAPP Akt bụ naanị na isi ala ka ana-etinye ya n'ọrụ ozugbo . ka o wee rụọọ ọrụ na steeti 36 nke Naịjiria, steeti ọ bụla kwesiri itinye ya n'ọrụ.[xii]
- Oke Maka ụmụnta Akt 2003 dowere afọ iji lụọ dinanwunwe ka ọ bụrụ 18 ma machie imetọ nwantakịrị. Dịka VAPP Akt, o kwesiri ka steeti tinye ya n'ọrụ iji rụọ ọrụ na mpụga FCT.[xv]
- Iwu Maka Ahụike Obodo nke 2014 nyere usoro maka nkwalite na nlekọta ngalaba nke ụkpụrụ ahụike, mee ka nlekọta ahụike nke gụnyere ahụikeọmụmụ na nlekọta uche, ma mee ka ụlọahụike nye nlekọta n'ọdụrụde n'agbanyeghị ma e nwere ike ịkwụ ụgwọ.[xvi]
- Iwu nke nchekwa ahụike 2022 (na-anọchite iwu nke NHIS Ke 1999) wepụtara usoro nke iwu nchekwa ahuike kpuchitere ụwa, tinyere mkpuchite nke ọmụmụ na nlekọta ahụike uche niile.[xvii]

## I. Ọdịdị nke ndụzinụlọ

*Ọganihu kemgbe edoziri ya*

Naịjiria azọpụla njem iji kwalitekwuo ikwanyere ndụ ugwu na nchekwa nke onwe site n'ịgbakwụnyetụ ụfọdụ Maputo Protokọl n'iwu ime obodo, Tinyekwara n'atụmaatụ nke Ọdịdị nke anabatara n'afọ 2015.[ụviii], Kosiladị,

Itinye ya n'ọrụ ka bụ nke ezubeghị oke ma a chọkuru ịgba mbọ iji webata iwu obodo ka ọ nọrọ n'Usoro.

Ederede 3,4 na 5 nke Maputo Protokọl kpọkuru steeti dị iche iche ka o chekwaa ndinne na ụmụnwaanyị site n'arụ. Otu site n'ụmụnwaanyị atọ Naịjiria ga-enwe ahụmihe ma ọ bụ ịkpa arụ mmekọ n'oge ndụ ya. Na 2015, Naịjiria tinyere Iwu VAPP, Nke chekubere igbochi arụ na ndụ nkịtị na n'ọha ma wete enyemaka nyere ndị lọrọ arụ mmekpaahụ mmekọ na arụ ụlọ.[xx] akwadoro iwu a ka afọ 14 gachara e jiri chụọnta .[xxi] Na nwute, ọ bụghị na stteti niile ka e tinyere ya, ma a ka nwere oghere dịgasị n'ilekọta ndị dabara n'ọghọm arụ. Sọọsọ 19 n'ime steeti 36 hiwerele Senta iji kwadoo ma lekọta ndị niile dabara n'ọghọm.[xxii]

Ederede 5 nke Maputo Protokọl na-arụ ọrụ na Naịjiria dịka ọ machiri Ibi Ugwu/ibepụ. Ọnụọgụgụ dị nde 9.9 bụ ndị lọrọọ ọghọm Ibe Ugwu bi na Naịjiria, ọnụgụgụ kacha ndị lọrọ ọghọm n'ụwa. [xxiii] Naịjiria elebala anya Ibi Nwaanyị ugwu n'ime Iwu VAPP na n'ime Atụmaatụ Obodo maka Ahụike, [xxiv] ma webata atụmaatụ obodo nnọrọọ onwe na atụmaatụ e ji eme ya maka mpka Ikpochapụ Ibi Nwaanyị Ugwu 2021-2025.[iv] Kaọdị, Ederede 6 nke Maputo Protokọl kpọrọ oku ka ekpochapụ ịlụ di na nwata. Na 2016, Naịjiria nabatara atụmaatụ dị iche iche iji belata Ịlụ Di na Nwata.[xxvi] Kosiladị, a chọkwuru ọtụtụ ihe iji chekwaa maka Ibi ugwu/ibepụ, ịlụ din a nwata na alụmdi na mmanye, na ịkpa arụ ahụ. Anyị kwesịkwara ịtụle otu ọnọdụ a ga-esi metụta ndịntoroọbịa Naịjiria, ndị ga na-adọlị na nweere onwe ahụ na arụ n'ọgbọ ọlọrọ ọhụrụ.

Ederede 9 nke Maputo Protokọl pọrọ oku ka ụmụnwaanyị sonyekwuo na ndọrọndọrọọchịchị ụwa na ikpebi ihe. Naịjira Nashịọnal Jenda Policy nyere ụmụnwaanyị ohere ruru 35% iji sonye n'ọchici ma ọ bụ site n'inye ọkwa ma ọ bụ nhọpụta. '[xxvii] Kosiladị, Naịjiria nọ n'ogo ndị ka dị ala n'ụmụnwaanyị isonye n'ọchịchị n'ụwa, naanị oche 5% ka ụmụnwaanyị ji n'ụlọomeiwu.[xxviii] Iji dozie nke a, atụmaatụ maka ụmụnwaanyị inweta okwa pụrụiche ga-ekewapụta oche ole ụmụnwaanyị ga-anọ.[xxix] Nnọchite anya dị oke mkpa n'ihi na ụmụnwaanyị nọ n'isi atụtegharịala ọtụtụ ihe nyere ahụike na iwu nchekwa.[xxx] Iwelite ọnụọgụgụ ụmụnwaanyị na ndiomeiwu ga-enye aka etinyechaa akaụkụ Maputo Protokọl niile n'ọrụ.

### *Oghere na Ọgbachi*

N'ihi na Naịjiria etinyebeghị Maputo Protokọl n'ọrụ, oghere gara n'ihu nọrọ n'etiti echiche Usoro na itinye ha n'ọrụ, iwu ime obodo na ndụ ụmụnwaanyị Naịjiria n'ebi. Idozi Usoro a bụ nzọpụ njem dị mkpa iji mata na ikwenkwa iji chekwaa oke ụmụnwaanyị. Kosiladị, Nkwa a apụtachaghị ihe n'iwu ime obodo, atụmaatụ ma ọ bụ nlekọta ahụike.

### Oghere na Ọgbachi Iwu na Atụmaatụ: Iteime na nlekọta Uche

Naịjiria nwere ọnụọgụgụ karịrị akarị n'ọnwụ ụmụnwaanyị n'ime na mgbe a na-amụ nwa,[xxxi] n'ikwebata ụfọdụ arụ ana-akpa ụmụnwaanyị na mkpa ọ dị inye ụmụnwaanyị nlekọta n'ọdụrụde. Iji belata ogo ọnwụ ụụmụnwaanyị dị ime na ndị na-amụ nwa, obodo ahụ etinyela Atụmaatụ Njirimara maka iji Kpochapụ Ọria Mgbapu mamịrị na Naịjiria.[xxxii] kosiladị, a ga-emekwu ọtụtụ ihe iji gbochie arụ ana-akpa ụmụnwaanyị ma mee ka e nweee nlekọta ahụike dị mma maka ụmụnaanyị na imụnwa.

Oghere kacha n'iwu gbasra inwe ike iteime. E nwere ihe n'ezighi ezi n'etiti iwu Naịjiria na nkwekọrịta ya n'okpuru ederede 14(2)(c) nke Maputo Protokọl, nke chọrọ ka steeti dị iche iche nye nkwado iteime n'ọnọdụ nkwaso iko n'ike, nwakpo na mmekọrịta nwanne na nwanne na ebe afọime ahụ bụ ihe ọghọm nyere uche na ahuihe nke nwaanyị. Ma nke Kriminal Kod Akt(a na-eme na South) ma ọ bụ Penal Kod Akt (ana-eme n'Ugwu) nabatara ọnọdụ obosara a: ha niile machibidoro iteime n'usoro iwu nyere ọnọdụ dị mkpa iji chekwaa ndụ nwaanyị, nke nwere nnukwu ntaram ahụhụ-ruo afọ 14 n'ụlọ mkpọrọ-maka

ụmụnwaanyị na ndị ọrụ nnlekọta ahụike ndị mere ihe n'adabereghị na nke a pụrụiche. Nke a dowere iwu Naijiria na mpaghara ndị kacha amachi ma ya na nkwenye maka oke ruuru mmadụ ya a nọrọ n'ọgụ.

Mmachi ndị a amịtabeghị mkpụrụ n'igbochi iteime. N'ichịkọta ya ọnụ otu n'ime afọime asaa na-ala n'iteime,[xxxiii] Ịgbakọta ya, 63% n'ime iteime ka emezighị emezi, nke wetere 10% n'ọnwụ n'ime na ịmụnwa. Ebe ọtụtụ ndịomeiwu ghọtara na iteime n'ụzọ n'ezighị ezi na-ewete ọnwụ onye nne.

Oghere tọrọatọ kpatara ihe isiike ndịa. N'agbanyeghị na edoziri okwu Maputo Protokọl na Dizemba 2004 n'ahapụghị ihe ọ bụla, etinyebeghị ya n'iwu obodo dịka mpaghara ke 12 nke akwụkwọiwu siri chọọ. Nke a pụtara na ihe niile Usoro wepụtara, tinyere Ederede 14, abụghị nke a na-egosịpụtaihe n'ụlọ ikpe Naijiria dị iche iche.[xxxv] Oghere nọ n'agbata ọchịchị etiti na e nweghị ike imejupụta ya na steeti bụ otu: usoro ọganihu ahụike a nabatara n'ogo etiti –nke gụnyere VAPP Akt na iwu maka oke Nwa-bụ nke na-anọghị n'ọrụ na steeti 36 nke Naijiria. N'ihi na ahụike so n'ihe ndịomeiwu na-eleba anya, ndị nkwuchite ga agbaghachi mbọ n'ụlọomeiwu steeti niile iji mee ka anabata ma nye ego maka ya, ma kepụta usoro kwesịrị ekwesị e nwere ike iji lebara iwu nchekwa nwaanyị anya site n'ebe ọ nọ.

Ihe Ọhụrụ ndị Pụtara n'Iwu

N'agbanyeghị usoro mmachi a, 2025 wetere ụkpụrụ ntụziaka nke nwere mpụtara pụrụ iche maka atụmaatụ nkwuchite. Na *Reproductive Justice Initiative Foundation (RJIF)* [v] Onyeisi Okwuchite Ọnụ nke obodo gbaa gburugburu na ndị Ọzọ, ụlọikpe Ukwu nọ n'Abuja kuru na ịmanye ndị lọrọ arụ nkwaso iko n'ike ka ha buru afọ ime gbarụrụ oke ruuru ha maka ahụike na uche.[xxxvi] mkpebia, nọchiri anya nnabata nke izizi a nabatara n'iwu ụlọ na nlekọta ahụike maka ndị lọrọ ọghọm ikwaso iko n'ike bụ oke ruuru mmadụ karịa iwu maka arụ. Ndịọkaiwu na otu nkwuchiteọnụ dị iche iche kwesịrị ịhụ nkwenye a dịka ntụala maka ịga n'ihu wepụta ụpụrụ mkpọpụikpe na dị ka akụrụ ngwa dị ike maka asụsụ na nhazigharị ihe ndi e jiri kpọrọ mkpa.

## Mmekọrịtaomenaala na Okpukperechi Oghere na Ọgbachi

Iji wepatachaa Maputo Protokọl n'iwu, ma ọ bụ gakwuo n'ihu site n'iwu, ọkara abụọ n'ime atọ na ndịomeiwu n'ụlọ omeiwu ka a chọrọ. Ka ọ dị ugbu a, o nwere ike ndịomeiwu agaghị etinye iwu iji lebe ihe ịmaaka ndịa anya, dịka e riri mperi n'inwe mmasị na iji nlekọta ahụike mmekọ na ahụike ọmụmụ kpọrọ ihe.[ii]

Mgbe ọ bịara n'ihe ndị bụ mkpa atụmaatụ, imirikiti ndị Naijiria bụ ndị a na-eduzi site na nkwenye okpukperechi. Okpukperechi bụ nke e ji adọ ndọrọndọrọ nke ukwuu na Naijiria, nke na otu okpukperechi dị iche iche na ndị ndu imeime obodo na-arụ ọrụ pụrụ iche n'ịgbazi okwu na ọnọdụ atụmaatụ.[ii] Nke a emela ka e nwee ịkpaoke n'ebe ọgwụmgbochiime na oke maka imụ nwa nọ.[iii] Mbọ iji welitekwuo ohere iji nweta ọgwụmgbochiime ma ọ bụ chekwaa ahụike mmekọ bụ nke nwere ọgbachi.[iv]

A gbarụrụ ihu, tụmadị maka iteime, ma mbọ agbarala iji tinye n'ọrụ iwu ndị dị mkpa maka iteime bụ nke otu –ezinụlọ na otu steeti dị iche iche katọrọ.[ii]

Mgbanwe atụmaatụ(akọwara ya n'okpuru) dị mkpa iji mejupụta Usoro a nke ukwuu n'ịmaaka ọnọdụ ndọrọndọrọ a.

## II. Nkwupụta na usoro atụmaatụ

**E nwere ụzọ mbido abụọ iji tinye Maputo Protokọl n'iwu na Naijiria:**

1. Site n'otu nkwuchite na ndị na-ahụ maka oke mmadụ, iwu iji tinye ụfọdụ ma ọbụ Usoro n'ọrụ bụ nke abụọ n'ime atọ n'ọnụọgụgụ ndịomeiwu ga-akwado.
2. Site na nkwuchite sitere n'iwu na ntụteghari, mkpọpụikpe ka e ji e wepụta ụkpụrụ iwu, kewapụta atụmaatụ ọhụrụ ma dozigharịa echiche ọha.

Usoro ndị a metụtara ịga n’ihu na ikwu ihe a chọrọ, mgbanwe ọrụ mmekọrịta na iwulite uche ndọrọndọrọ.

### *Otu Ọha na ndị na-ahụ maka oke Mmadụ*

Otu ọha, obodo na otu maka oke mmadụ dị iche iche dị mkpa iji hụ na oke ndịnne na ụmụnwaanyị Naijiria bụ nke e nwetara. Mgbe otu ndị nwere otu ọchịchọ rụkọrọ n’usoro kwesịrị ekwesị jiri otu ebumnuche, ha nwere ike merie omenaala ihere ma wulite ike n’ime obodo na uche ọchịchị.

### Ihe atụ: Otu ọha niile ejikọtara ọnụ ịkwụsị ịlụ di na Naijiria, Agụmakwụkwọ ụmụnwaanyị

CSO-ECM[ii] bụ ụkpụrụ jikọrọ otu abụghị gọọmenti nwe na otu ọha dị iche iche ndị ehiwere iji kpochapụ mmanye na ịlụ di n’oge gbụrụgbụrụ obodo ahụ n’afọ 2030. Na-arụ ọrụ site n’imeime obodo, steeti na ọchịchị etiti, otu ndị ahụ na-ahazi atụmaatụ nkwupụta, kpọkọọ ndị mmadụ site n’imeime obodo ma metụta atụmaatụ ọha iji chekwaa oke ruuru ụmụnwaanyị ka na-etolite etolite. Ihe gbara ọkpụrụkpụ ha ga eleba anya n’atụmaatụ ha ugbu a bụ idowe agụmakwụkwọ nwanwaanyị dịka ihe mbuụzọ iji dọlaa ịlụdi azụ, ya na ikwupụta ma itinye ya n’iwu na itinye iwu maka oke ruuru ụmụntakịrị n’ọrụ na Atụmaatụ Obodo iji Kpochapụ Ịlụdi na Nwata. Site na ha ndị nwere nkwuwaokwu n’obodo irụkọ, ndị nkwuchiteọnụ ndịntoroọbịa na ndị nwunye ndị ndu imeime obodo, otu ndị a jikọrọ ọnụ ga-arụ ọrụ iji kposaa nkwenye ndị nọ kemgbe, wepụta ụkpụrụ ngaghachi n’ụlọ akwụkwọ maka ụmụnnawaanyị dị ime na ndị lụrụ di ma wulite gburugburu ebe dị mma, maka ọgbọ na-abịanụ.

### Ihe atụ: Ịganihu Oke Ụmụnwaanyị na ụzọ nchekwa-mkpọkụje omenaala

WRAPA[i] worked with faith, religious and traditional cultural leaders between 2005 and 2017 to address the religious and cultural practices driving child marriage in north-western communities of Nigeria. Together, these stakeholders developed a Khutba, a compilation of sermons of the Prophet, that disproved some of the misconceptions contributing to early and forced marriage. The Khutba was then translated into local languages and used by traditional leaders. A total of 105 mosques used this Khutba during Friday prayers. By partnering with religious leaders to shift cultural norms, WRAPA has also been able to influence policy and legal reforms.

- WRAPA[ii] na ndị ndu okwukwe, okpukperechi na omenaala rụkọrọ n’agbata 2005 na 2017 iji dozie iheomume okpukperechi na omenaala na-akwado nwata ịlụ di n’obodo ndị nọ na mpaghara Ọdịdaanyanwụugwu nke Naijiria. Na njikọaka, ndịa nwere akaoke Kwalitere Khutba, nke wekọtara ozi niile nke onyeamụma, nke anabataghị ụfodụ ihe ndị na-emegheri anya nke kwadoro ịlụ di na nwata na mmanye. A sụgharịrị Khutba mgbe ahụ n’asụsụ ndị nke ndị ndu imeobodo jiri mee ihe. Ọnụọgụgụ Mọskụ dị 105 jiri Khutba a mee ihe n’oge ekpere Fraịdee. Site na ndị ndu okpukperechi irụkọ iji kpọkụje nkwenye ọdịnaala, WRAPA e nweele ike itinye atụmaatụ na usoro ntụteghari iwu.

### Ihe Atụ: Achụnta megide ime ọkwa – Nkesa mmụta

Kemgbe afọ iri atọ, CAUP [iii] na-ekwunọọ okwu maka ilebaghari anya n’okwu maka iteime na Naijiria. Ọ kpọtururla otu ndị odee nke ụlọọrụ akwụkwọozi gbara ọkụrụkpụ dị iche iche na ndị nataakụkọ a zụrụazụ banyere mpụtara iteime n’ụzọ n’ezighị ezi. O nweela nnọkọ ọha na emụme nkuzi na ọgbakọ obodo maka ahụike mmekọ na oke ọmụmụ. O hiwela otu mmekọrịta maka ahụike ndị na-etoliteetolite, nke nyerela ụmụakwụkwọ nlekọta ahụike ọzụzụ banyerre mmekọ na ahụike ọmụmụ. CUAP ekewapụtala usoro nduzi dị iche iche maka usoro iheọmụmụ ụlọakwụkwọ ahụike Naijiria maka ahụike mmekọ na oke maka ọmụmụ. Ebe mbọ ya niile amịtabeghị mkpụrụ n’ime ka elebaghaṛia anya n’iwu maka iteime n’obodo ahụ, ọtụtụ afọ o jiri chụọnta bụ ịtọ ntụala maka iwu ime nke a ka e nwee ike webata ya n’ụlọomeiwu obodo.

### Atụmaatụ

SOLIDARITY FOR AFRICAN WOMEN'S RIGHTS — A force for freedom
MOUVEMENT DE SOLIDARITÉ POUR LES DROITS DES FEMMES AFRICAINES — Une force pour la liberté



MEWC Make Every Woman Count

- Kepụta ohere iji kesaa – mmụta site na ndị mgbasaozi; otu ndị nọ n'ime obodo; ndị ọkachamara ahụike; ndị ndu okpukperechi na ọdịnaala; na ndị otu ngalaba iwu, dịka ndị ọkaikpe, ndịikpe na ndị mkpọpụ ikpe.
- Ihụ na e mere ihe doro anya site n'ịchụso na inyocha arụ akpara megide oke ọha
- Jide ndị nọ n'ọchịchị site n'ihiwe nkwupụta ọha iji katọọ obodo maka ịgba ọnyụpaa n'ọrụ na ọganihu, ma nye nkpesa maka nduzi nyere otu nyocha dị iche iche.
- Kewapụta nkwado ọha site na ha na ndị ime obodo ịrụkọ na ndị ndụ iji kwalite ike ha.
- Hazie nnọkọ otu na-ahụ maka oke ma kpọkọọ imerime mmadụ.
- Mgbe gị na ndị na-atụatụmaatụ na ndị ụlọọrụ gọọmenti na-enwe nnọkọ, tinye ndị ndu ọdịnaala na ndị ndu okpukperechi na ndị nchekwa oke mmadụ.
- Gị na ndị ndụ ndọrọndọrọ ndị nwere mmasị ịkwado ọrụ a rụkọ ma kwupụta aha ndị jụrụ ịnabata

## Ịkwado Iwu na ndozighari

Ịgbaakụkwọ bụ akụrụngwa siwanyerela ike iji chekwaa oke mmadụ niile, gbanwee iwu ma jide gọọmenti.[xlv] Ụlọikpe na-arụ ezigbo ọrụ ịhụ na steeti dị iche iche rụzuru ọrụ ya nye ndịnne na ụmụnwaanyị mgbe iwu enweghị ike ime otu ahụ. Ịkwado iwu na mmezighari tigwaara otu ọha dị iche iche na ịchọ oke na-adịgide adịgide nwere ike gazie site n'itinye mgbanwe.

Site na mgbe, e nwere ohere maka ụlọikpe ikpe ikpe iji mgbaso ke usoroiwu na ịbụ ihe na-akpali mgbanwe ọha na atụmaatụ. Ụkpụrụ a ka a na-akpọ ụkpụrụ igbaakwụkwọ otu ọ dị.[xlvi]

## Ihe Atụ – Ihazi Usoro Iwu

Na 2009, ndị ọrụ gọọmenti nọ n'Abuja na-emegide ụmụnwaanyị ma na-akpa ha arụ mmekọ. N'agbanyeghị ọtụtụ mkpesa e nyere ndịisi, arụ ahụ gara n'ihu. Na 2014, Dorathy Njemanze na mmadụ atọ ndị ọzọ wetara okwu ahụ na Economic Community of West African State(ECOWAS) Ụlọikpe ke Obodo ke Ikpeziriezi – ngalaba –ụlọikpe obodo nke Nkwekọrịta ECOWS nke achọghị ịgbaakụkwọ iji nweta ụzọ mgbapụta nke iziz. E nyere ụmụnwaanyị ndị a ikpeziriezi na 2017 na Dorothy Njemanze na 3 ndị ọzọ na Ọchịchị Ala Naịjiria(Ikpe akara. ECW/CCJ/APP/17/14). Ụlọikpe kpere na Naijeria enweghị ike ichekwa ha site n'ịkpa oke ọdịdị na arụ dabeere n'ọdịdị, chọpụtawa mgbarụ Moputo Protokọl.[xlvii]

Nke a bụ nke mbụ ụlọ mbaụwa na-ahụ maka oke mmadụ ijide obodo Maputo Protokọl. O hiwere usoro iwu dị ike nke mpaghara ndị nọ n'okpuru usoro maka otu ịkpaoke maka ọdịdị na arụ ndị dabeere na otu e nwere ike iji leba anya ịkpaarụ ọdịdị na ogo mpaghara, ma gosipụta ezi uru nke Ụlọikpe ECOWAS Maka ndị na-agba akwụkwọ n'ụlọikpe: ọ bụghị dịka ọtụtụ mpaghara na otu mbaụwa ndị ọzọ, o nyere ohere ka e weta ikpe n'echeghị mgbe e nwere ịkpa arụ. Dịka mmekọrịta maka Afrịka, otu n'ime otu ndị ahụ chọpụtara: 'ọ bụ ihe dị mkpa na anyị na otu ndị ọzọ ndị nwere ndị nwere ahụmihe atụmaatụ iwu siri ike karịa anyị ịrụkọ.'[iii]

## Ihe Atụ -2025 Idozi Ikpe maka Iteime na Ndị lọrọ ya

N'ịgbakwasị ụkwụ n'usoro mpaghara, ụlọikpe obodo amalitela ịkpọkaje ụkpụrụ a. Na Junu 2025, na RJIF na Okwuchiteọnụ ke Ọchịchị Etiti, Ụlọikpe Ukwu Etiti nọ n'Abuja kpebiri na ịmanye ndị lọrọ arụ nkwaso iko ka ha gaa n'ihu buru afọime gbarụrụ oke ha iwu maka ahụike na ahụike uche.[xlix] mkpebi abụọ a dị mkpa n'ihi ihe abụọ ndị a. Mbụ, o nyere iwu obodo ikikere, ya na usoro ECOWAS, na nlekọta ahụike ọmụmụ bụ nke e chekwara oge niile. Abụọ, o nyere ohere i ji gbaghaa ọnọdụ mmachi nke Kriminal Kod Akt na Penal Kod Akt, dịka o siri metụta ndị awakporo ma ọbụ kwaso iko n'ike bụ n'onwe ha nke anọghị n'iwu. Ndị ọkaiwu kwesịrị ịtụle uche iwulite ntụala a mgbe a na-ahọrọ ikpe maka akwụkwọ dị añaa a gbara.

## Usoro Mpaghara maka Iteime

Ịgba akụkwọ pụrụ iche nwere ike dị ire gburugburu nsogbu iteime n'ihi na e nwere oké n'ịtụgharị iwu ndị nọ ugbu a. Ebe egbochiri iteime karịkwaa iji zoo ndụ nne, e nwere nnukwu ohere iji gbatịkwuo nkọwa maka nchekwa ndụ nwaanyị. N'agbanyeghị Malawi nwere iwu yiri, Ụlọọrụikpe Malawi- site n'ikpe ụlọikpe- kwekọtara ịgbatịkwụ nkọwa maka nchekwa ndụ ka ọgụnye nchekwa ke uche na ahụike.[i] Ikpe RJIF Na Naijiria mepere ohere iji tule ọnọdụ n'ime obodo,o kacha maka ndị lọrọ arụ mmekọ.
Mpaghara ndị ọzọ ebe e terele ime n'ụzọ dị mma nwere ike metetu Naijiria , nke gụnyere Ghana, Kenya na Rwanda [ii]

### Nzọụkwụ na ntule maka atụmaatụ ịgbaakwụkwọ

Nzọ ụkwụ mbụ na atụmaatụ igbaakwụkwọ bụ ịchọpụta ọkpọikpe o nyere ohere na nkwekọrta ịchụso ya bụ ikpe; E kwesiri itinye ezigbo ihe iji kwadoo ma onye ọkpọikpe ma onye ọkaiwu ya, tụmadị ebe usoro nwere ike gbatịa. Iji gbakwunye, ọkpọikpe kwesịrị ịma ọghọm ndị nọ na ya ma kwadoo maka ntụchasị ọha na ndịmgbasaozi.
Ọ dị mkpa ịhọrọ ebe ikpe ahụ ga-adị ire gburugburu mpaghara dị iche iche na ihe ndị eziokwu ndị a ga-enweta. Na Naijiria, okwu ụlọikpe nwere ike ịnọcha ọtụtụ afọ iji kpechaa ya.

Kosiladdị, okwu ndị gbasara mmekọ na ahụike ọmụmụ a na oke nwere ike gabigawuo imaaka ndị ọzọ. Iji maa atụ, ụlọikpe Naijiria nwere ike inweta mmetụta site n'ihere na ikpaoke mmekọrịta gburugburu nlekọta ọgwụmgbochiime. Mkpebi nke onwe nke nkwenye okpukperechi ndị-na atụ atụmaatụ nwere ike ibitụ mpụtara aka. N'ime ọnọdụ dị otu a, Ụlọikpe mpaghara ma ọ bụ ogbe nwere ike nyekwuo ọnọdụ usoro ọganihu atụmaatụ mkpọpụikpe

## III. Ọhụrụ na Usoro mgbapụta dị iche iche

Otu ndị jikọtara ọnụ, nke BAOBAB hiwere maka Oke mmadụ nke Ụmụnwaanyị nke Akina Mama wa Afrika na-akwado site n'itinye ego nke sitere na Amplify Change,ma tinyere National Human Rights Commission; National Institute maka Legislative na Democratic Studies; Initiative ke Research, Innovation na Advocacy na Development; na Inter-Party Advisory Council, abịakọtala ọnụ. Ọtu a na-arụ ọrụ na-atụmaatụ afọ abụọ , malite Ọktoba 2025 ruo Septemba 2027, ịkpọ oku maka mgbanwe iwu na akwụkwọiwu iji tụtegharịa Maputo Protokọl ka ọ bụrụ ihe pụtara ihe na ndụ ndịnne na ụmụnwaanyị na Naịjiria.Ụzọ o si arụ ọrụ gụnyere nkwuchite, mwulite-njem na ikesa mmụta n'ebumnuche ime ihe anya hụrụ na mgbanwe iji tutegharịa Maputo Protokọl. Otu a na ndị nwere akaoke amalitela ịrụkọ dịka otu ndị na-enyochasi iwu, ndịọkachamara n'ime iwu na ndị ndu otu ndọrọndọrọọchịchị. Site ya na ndị nwere akaoke imekọrịta n'ụzọ pụrụ iche, mbọ ya uru nke nghọta ụlọọrụ dị iche iche, usoro iwu na mkpọkọta ndọrọndọrọ Ọchịchị.

### Atụmaatụ mgbanwe na usoro akara

Iji nye aka dozie okwu nọrọla ọtụtụ oge banyere oke mmekọ na ahụike ọmụmụ, otu a akwadoola mgbanwe pụrụiche nke ozi ya iji tinye n'ọrụ otu o kwesịrị ndị ndu ọdịnaala na okpukperechi na ndị omeiwu. Usoro a chọrọ ịgbatịkwu ngwangwa iwu na mgbanwe n'iwu nke nwere ike imetụta ndụ ndị nne na ụmụnwaanyị n'ụzọ dị mma ma nabatakwa ihe ndị nọ na ndọrọndọrọ ọchịchị

| Site | Ruo |
|---|---|
| Inwe ikikere nchekwa ahụ onwe na ugwu | Ịnọ n'ahụ ọma na nchekwa onwe |
| Oke maka Ahụike Mmekọ Ọmụmụ | Nchekwa Ndụ Nne na Ahụike Ezinụlọ |
| Ikpochapụ Omenaala ndị Megidere Mmadụ | Ịkwalite Ịdị nsọ na ugwu onye |

Mgbanwe a dị mkpa n'ihi ọtụtụ ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ:

- N'ilekwasịanya na Ịnọ n'ahụ ọma na nchekwa onwe ga-akwalite Mpaghara 34 nke Iwu Naịjiria. Dịka Iwu si dị, obodo nwere ọrụ diịrị ya ịkwalite nchekwa onwe.
- N'ilekwasị anya na nchekwa ndụ nne na ahụike ezinụlọ ga-agabanye na ọnwụ ndị nne, nke bụ ihe obodo jiri kpọrọ mkpa tinyere maka ndị ndu okpukperechi
- N'ilekwasị anya n'inwe ikikere nchekwa ahụ onwe na ugwu onye, metụtara ma iwu ma uru njirimaraiwu. Ọ ga-enye aka ekwupụtakwuo banyere itinye Iwu VAPP n'ọrụ gburugburu steeti dị iche iche na ya na nchekwa nyere Ibi nwaanyị ugwu/Ibepụ, ịlụ di na nwata na mmanye, na ịkpa anụahụ arụ.

## Nzọ Ụkwụ Ọzọ na Ntụziaka

Itinye Maputo Protokọl n'iwu obod dị mkpa iji hụ na ndị nne na ụmụnwaanyị na Naịjiria nwere ike rite uru oke ruuru ha, ịnọ n'ahụ ọma na nchekwa onwe. E nwere ike nweta mgbanwe site na mbụ ịgbakọaka gburugburu iwu, mmekọrịta na ọnọdụ ndọrọndọrọ ọchịchị. Usoro iheomume na ntụziaka nọ n'okpuru.

### Maka ndị Omeiwu na Ndịnaatụiwu

- Depụta ma webata iwu iji gbazie Penal na Kriminal Codes iji webata ya ka ya na Ederede 14(2)(c) nke Maputo Protokọl makọọ, gbakwunye ịhapụtụ ihe ụfọdụ maka ịkpaarụ mmekọ, nwakpo, mmekọ nwanne na nwanne, nkwarụ nwa nọ n'afọ na ahụike uche.

-kwalite itinye atụmaatụ n'ọrụ maka Atụmaatụ Ọdịdị na nke Iwu VAPP, hụ na e nwere Ụlọ ebe ana-eziga ndị akpara arụ mmekọ iji nye nkwado na nnlekọta nyere ndị nwere Ọghọ m na steeti dị iche iche

- leba anya na ihe ndị nwereike iwete mmerụ ahụ. Kepụta iwu iji dozie ịkpa arụ site n'ọgbọ nkanufere nke na-emetụta ndịnne na ụmụnwaanyị n'ebe ọ dị ukwuu, mmaja site n'ọgbọ nzirita ozi,ịgwa okwu site n'ọgbọ nzirịta ozi, isi n'ọgbọ nzirịta ozi ekesa onyonyo ndị dị añaa na nkusu site n'ọgbọ nzirịta ozi.

### Maka Ndị Ọkaiwu

- Were ezi mkpesa dịka ohere iji hiwe usoro maka ndozigharị atụmaatụ.
- Gbatịa ndị ahọpụtara nọ n'akụkụ ụzọ e nwere ike isi tee ime ka ọ karịa n'abụgị naanị n'eluahụ kama nke uche na ọghọm akụnụba nye onye dị ime.
- Tinye Mpaghara 34 nke Iwu, gburugburu ugwu nke mmadụ, nke kwadoro nchekwa mmadụ na ịnọ nke ọma, iji rụrịta ka gburugburu ịnọ n'ahụ ọma na nchekwa onwe nke ụmụnwaanyị

### Maka otu ọha

- Wulite njikọta gbasapụrụ aka iji kwalitekwuo mbo maka idozi ndị kwesịrị ekwesiị nwere akaoke nyere mmasị iji rụkọọ, tinyere ndị gọọmenti , otu ọha dị iche iche, otu oke ụmụnwaanyị dị iche iche na ngalaba nkịtị
- Iji wulite ebumnuche maka ndọrọndọrọ ọchịchị, jiri mekọrịta dị elu nke ndị otu Ụlọ omeiwu na ndị ndu ndọrọndọrọ ọchịchị ndị ọzọ kpọrọ ihe. Gị na ndị omeiwu kparịta n'oge na njikọ aka nke ndị ndu obodo nke gụnyere ndị ndu okpukperechi na ndị na-etoeto. Chọkwuo ọtụtụ Ụmụnwaanyị ndị omeiwu, hụ na Naịjiria rutere 35% ogo opekampe maka ụmụnwaanyị isonye na ndọrọ ndọrọ ọchịchị a tọgbọrọ maka na Nashịọnal Genda Polisi. Kpọrọ ndịomeiwu ndị ọzọ ka iji hụ maka ịdị mma nke ahụ na nchekwa onwe nke ụmụnwaanyị na ndị ọgbọ ha.
- Site n'ikwu okwu nkuzi ọha, gbanwee ọnọdụ otu ị ga-esi hụ inwe ahụ ọma na nchekwa onwe nke nwaanyị . Kuziere ndịomeiwu, ndị mgbasaozi, ndị nlekọta ahụike na ndị ndu okpukperechi dị iche iche. Weta akụrụ ngwa iji kwadoo ndị nne na ụmụnwaanyị na Naịjiria niile. Jiri mkparịtaụka dabeere n'ihe ịgbaakaebe kpọrọ ihe iji kpakaje okwu site n'ihere na ịkpa oke ma lekwasị anya n'inye nkwado.

## Edensiribịa

---

[i] Solidary for African Women's Rights (2023) *20 Years of the Maputo Protocol: Where Are We Now*, available at: https://soawr.org/resources_posts/20-years-of-the-maputo-protocol-where-are-we-now/, page 40.

Sochaa ma dozie ezi mputara enweghị ike itinye iwu n'orụ, na ndụ ndịnne na ụmụnwaanyị Naịjiria, tinyere ndị lọrọ iteime n'ụzọ n'ezighị ezi, ịkpa oke ọdịdị na/ ma ọbụ ịkpa arụ mmeko. Nye usoro mkpesa dị iche iche site n'iji SOAWR's Usoro iheomume mgbasa mkpesa, iji jide gọọmenti.

[i]

Criminal Code Act 2004 (ọ dị ire na steeti south dị iche iche). Ọ nọ na https://lawsofnigeria.placng.org/laws/C38.pdf; Center for Reproductive Rights. (n.d.). Nigeria's Abortion Provisions. Ọ nọ na https://reproductiverights.org/maps/provision/nigerias-abortion-provisions/ [e nwetere ya na 9 April 2026]; Ipas Nigeria (2020). Abortion Law na Policy n'ime Nigeria. Ọ nọ na https://www.ipas.org/wp-content/uploads/2020/07/ALPNIGE15-AbortionLawNigeria.pdf

Criminal Code Act 2004 ( ọ dị ire na steeti south dị iche iche). Ọ nọ na https://lawsofnigeria.placng.org/laws/C38.pdf; Center for Reproductive Rights. (n.d.). Nigeria's Abortion Provisions. Ọ nọ na https://reproductiverights.org/maps/provision/nigerias-abortion-provisions/ [e nwetere ya na 9 April 2026]; Ipas Nigeria (2020). Abortion Law na Policy n'ime Nigeria. Ọ nọ na: https://www.ipas.org/wp-content/uploads/2020/07/ALPNIGE15-AbortionLawNigeria.pdf

Penal Code Act 1960 (ọ dị ire na steeti ugwu dị iche iche). Ọ nọ na https://lawsofnigeria.placng.org/view2.php?sn=432; Center maka Reproductive Rights (n.d.). Nigeria's Abortion Provisions.

[i] Love Matters (n.d.). Abortion: Types and the Nigerian Law. Ọ nọ na https://web.archive.org/web/20201128024619/https:/lovematters.ng/pregnancy/unsure-about-being-pregnant/abortion-types-and-nigerian-law [e nwetere ya 9 April 2026]

Love Matters (n.d.). Abortion: Types and the Nigerian Law. Ọ nọ na https://web.archive.org/web/20201128024619/https:/lovematters.ng/pregnancy/unsure-about-being-pregnant/abortion-types-na-nigerian-law [ e nwetere ya na 9 April 2026]

[i] Violence Against Persons (Prohibition) Act 2015. Ọ nọ na http://www.refworld.org/docid/556d5eb14.html

Violence Against Persons (Prohibition) Act 2015. Ọ nọ na http://www.refworld.org/docid/556d5eb14.html

Violence Against Persons (Prohibition) Act 2015. Ọ nọ na http://www.refworld.org/docid/556d5eb14.html

Violence Against Persons (Prohibition) Act 2015. Ọ nọ na http://www.refworld.org/docid/556d5eb14.html

[i] Child Rights Act 2003. https://www.refworld.org/legal/legislation/natlegbod/2003/105082

[i] National Health Act 20 Ọ nọ na 14. Ọ nọ na https://scorecard.prb.org/wp-content/uploads/2019/06/Nigeria-National-Health-Act-2014.pdf; Ilesanmi, O. S., Afolabi, A. A. and Adeoya, C. T, 2023). Driving the Implementation of the National Health Act ke Nigeria. *Pan African Medical Journal* 11(45: 147. Ọ nọ na https://pmc.ncbi.nlm.nih.gov/articles/PMC10589412/

nist na Dualist State.

[i] Criminal Code Act 2004 (ọ dị ire na steeti south niile). Ọ nọ na https://lawsofnigeria.placng.org/laws/C38.pdf; Center maka Reproductive Rights. (n.d.). Nigeria's Abortion Provisions. Ọ nọ na https://reproductiverights.org/maps/provision/nigerias-abortion-provisions/ [e nwetere ya na April 2026]; Ipas Nigeria (2020). Abortion Law and Policy n'ime Nigeria. Ọ nọ na: https://www.ipas.org/wp-content/uploads/2020/07/ALPNIGE15-AbortionLawNigeria.pdf

[i] Penal Code Act 1960 (ọ dị ire na steeti ugwu dị iche iche). Ọ nọ na https://lawsofnigeria.placng.org/view2.php?sn=432; Center for Reproductive Rights (n.d.). Nigeria's Abortion Provisions.

[i] Love Matters (n.d.). Abortion: Types and the Nigerian Law. Ọ nọ na https://web.archive.org/web/20201128024619/https:/lovematters.ng/pregnancy/unsure-about-being-pregnant/abortion-types-and-nigerian-law [e nwetere ya na 9 April 2026]

[i] Violence Against Persons (Prohibition) Act 2015. Ọ nọ na http://www.refworld.org/docid/556d5eb14.html

[i] Child Rights Act 2003. Ọ nọ na https://www.refworld.org/legal/legislation/natlegbod/2003/105082

[i] National Health Act 2014. Ọ nọ na https://scorecard.prb.org/wp-content/uploads/2019/06/Nigeria-National-Health-Act-2014.pdf; Ilesanmi, O. S., Afolabi, A. A. na Adeoya, C. T, 2023). Driving the Implementation of the National Health Act of Nigeria. *Pan African Medical Journal* 11(45: 147. Ọ nọ na https://pmc.ncbi.nlm.nih.gov/articles/PMC10589412/

[i] National Health Insurance Act 2022. Ọ nọ na https://www.nhia.gov.ng/wp-content/uploads/2024/03/NHIA-Act-2022-Gazetted-Copy.pdf

[i] National Gender Policy 2021–2026. Ọ nọ na https://www.wrapanigeria.org/revised-2021-2026-national-gender-policy/

[i] UNFPA Nigeria (n.d.). Gender-Based Violence. Ọ nọ na https://nigeria.unfpa.org/en/topics/gender-based-violence-0 [accessed 9 April 2026]

[i] Onyemelukwe, C. (2016). Legislating on Violence Against Women: A Critical Analysis of Nigeria's Recent Violence Against Persons (Prohibition) Act, 2015. *DePaul Journal of Women, Gender and the Law* 5. Ọ nọ na https://via.library.depaul.edu/jwgl/vol5/iss2/3

[i] SOAWR (2023). Mapping 20 Years of Progress.

[i] Equality Now (2023). Regional Mapping and Assessment.

[i] Okeke, T., Anyaehie, U. and Ezenyeaku, C. (2012). An Overview of Female Genital Mutilation in Nigeria. *Annals of Medical and Health Sciences Research* 2(1): 70–73. Ọ nọ na https://doi.org/10.4103/2141-9248.96942

[i] Federal Ministry of Health (2016). Promoting the Health of Nigerians to Accelerate Socio-economic Development. September. Ọ nọ na https://naca.gov.ng/wp-content/uploads/2019/10/National-Health-Policy-Final-copy.pdf

[i] National Policy & Plan of Action for the Elimination of Female Genital Mutilation in Nigeria 2021–2025 Ọ nọ na.: https://nigeria.unfpa.org/en/publications/national-policy-plan-action-elimination-female-genital-mutilation-nigeria-2021-2025

ⁱ UNICEF (2024). Nigeria Takes Bold Steps to End Child Marriage na Protect the Rights of Children. 16 February. Ọ nọ na https://www.unicef.org/nigeria/press-releases/nigeria-takes-bold-steps-end-child-marriage-and-protect-rights-children

ⁱ Equality Now (2023). Regional Mapping na Assessment.

ⁱ Placng.org. (n.d.). What Is the Special Seats Bill? Ọ nọ na https://placng.org/specialseatsbill/ [e nwetere ya na 10 April 2026]

ⁱ Ibid.

ⁱ Equality Now (2023). Regional Mapping and Assessment.

ⁱ Guttmacher Institute (2015). Abortion in Nigeria. Factsheet. New York: Guttmacher Institute. Ọ nọ na https://www.guttmacher.org/fact-sheet/abortion-nigeria

ⁱ SOAWR (2023). Mapping 20 Years of Progress.

ⁱ Guttmacher Institute (2015). Abortion in Nigeria. Factsheet. New York: Guttmacher Institute. Ọ nọ na https://www.guttmacher.org/fact-sheet/abortion-nigeria

ⁱ Adejumo, O. (2024). Demystifying the Legal Restrictions on Abortion in Nigeria: Time to Change the Narrative. *African Human Rights Law Journal* 24(2): 559–578. Ọ nọ na http://dx.doi.org/10.17159/1996-2096/2024/v24n2a7

ⁱ Constitution of the Federal Republic of Nigeria 1999 (as amended), Section 12 (requiring legislative enactment for treaties to have force of law); see also Olomojobi, Y. and Oga, J. (2022). Nigeria: Between Monist and Dualist State.

ⁱ *Reproductive Justice Initiative Foundation (RJIF) v Attorney General of the Federation & Others*, Federal High Court, Abuja (Hon. Justice Olotu presiding), judgement delivered June 2025; Center for Reproductive Rights (2025). Victory maka Women's Rights: Nigerian Federal High Court Affirms Right to Safe Abortion for Survivors of Sexual Violence. Press Release. 26 June. Ọ nọ na https://reproductiverights.org/victory-womens-rights-nigerian-federal-high-court-affirms-right-safe-abortion-survivors-sexual-violence/

ⁱ Adejumo, O. (2024). Demystifying the Legal Restrictions on Abortion in Nigeria.

ⁱ Olanrewaju Oloyede, I. (2014). Theologising the Mundane, Politicising the Divine: The Cross-Currents of Law, Religion and Politics in Nigeria. *African Human Rights Journal* 14(1): 178–202. Ọ nọ na https://www.ahrlj.up.ac.za/oloyede-i-o

ⁱ Durojaye, E. (2023). Article 14: Health and Reproductive Rights.

ⁱ Olanrewaju Oloyede, I. (2014). Theologising the Mundane, Politicising the Divine.

ⁱ Adejumo, O. (2024). Demystifying the Legal Restrictions on Abortion in Nigeria.

ⁱ CSO-ECM (n.d.). https://ecmcoalitionnigeria.org/ [e nwetere ya na 9 April 2026]; case study provided by BAOBAB for Women's Human Rights on 22 May 2026.

ⁱ Solidary for African Women's Rights (2023) *20 Years of the Maputo Protocol: Where Are We Now;*: Ọ nọ na https://soawr.org/resources_posts/20-years-of-the-maputo-protocol-where-are-we-now/, page 46.

ⁱ Oye-Adeniran, B. A., Long, C. M. and Adewole, I. F. (2004). Advocacy for Reform of the Abortion Law in Nigeria. *Reproductive Health Matters* 12(sup24): 209–217. Ọ nọ na https://doi.org/10.1016/s0968-8080(04)24025-3

ⁱ Sendaula, B. (2023). Mapping Tool: The Regional Procedure and Fora for SRHR Litigation in Africa. Ahaki, 3 April. Ọ nọ na https://www.afyanahaki.org/download/mapping-tool-the-regional-procedure-and-fora-for-srhr-litigation-in-africa/

ⁱ Kanyali Mwikya, K., Osero-Ageng'o, C. and Waweru, E. (eds) (2020). *Litigating the Maputo Protocol: A Compendium of Strategies and Approaches for Defending the Rights of Women na Girls in Africa.* SOAWR na Equality Now, p. 179. Ọ nọ na https://soawr.org/wp-content/uploads/Compendium_of_Papers_on_the_Maputo_Protocol_Equality_Now_2020_Final.pdf

ⁱ *Dorothy Njemanze & 3 Others v Federal Republic of Nigeria*, Suit No. ECW/CCJ/APP/17/14, Judgement No. ECW/CCJ/JUD/08/17, ECOWAS Community Court of Justice, 12 October 2017.

ⁱ SOAWR (2023). Mapping 20 Years of Progress.

ⁱ *RJIF v Attorney General of the Federation & Others.*

ⁱ Dodoo, N.D., Moore, A.M., Nsabwe, A., and Singh, S. (2026). Abortion Care, Unsafe Abortion and Postabortion Care in Malawi. Guttmacher Institute. Available at: https://www.guttmacher.org/fact-sheet/abortion-care-unsafe-abortion-and-postabortion-care-malawi

ⁱ Adejumo, O. (2024). Demystifying the Legal Restrictions on Abortion n'imeNigeria.

MEWC
Make Every Woman Count

SOLIDARITY FOR AFRICAN WOMEN'S RIGHTS
A force for freedom

MOUVEMENT DE SOLIDARITÉ POUR LES DROITS DES FEMMES AFRICAINES
Une force pour la liberté

BAOBAB
FOR WOMEN'S HUMAN RIGHTS

AKINA MAMA WA AFRIKA